ÉKWÉ JỌNAL   NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA

VOLUME 16 NO 2, JULY, 2023 ISSN: 2476-8448

# MMETỤTA NZURUỤWA NWERE N’ AGWA ỤMỤ AKWỤKWỌ N’EBE ỌMỤMỤ OMENAALA IGBO DỊ N’ỤLỌAKWỤKWỌ SINỊỌ SEKỌNDỊRỊ

Si n’aka

**Charity Ijeoma Ogbu, Ph.D**
Department of Arts Education,
University of Nigeria,Nsukka
charity.ogbu@unn.edu.ng
+2348067638507

## Ụmịedemede

*Nchọcha a lebara anya na mmetụta nzuruụwa nwere n’agwa ụmụ akwụkwọ n’ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n’ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị na mpaghara Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa. Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta mmetụta nzuruụwa nwere n'agwa ụmụ akwụkwọ n’ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị, dịka o si gbasata ụmụ akwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo oge ọ bụla, ịga ebe a na-eme omenaala Igbo, isite n’igwe kọmputa achọpụta ihe gbasara omenaala Igbo, iji akụkọ ifo anọrị oge karịa igwe nkanụzụ dịka ekwe ntị. Otu ajụjụ nchọcha na otu ụmaokwu nchọcha ka e ji mee nchọcha a. Usoro nkọwa sọvee ka a gbasoro wee mee nchọcha a. Ndị e ji mee nchọcha bụ ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile gọọmenti nwe na mpaghara Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa. Usoro nhọrọ igwe ka a gbasoro wee họpụta ndị e jiri mee nchọcha a maka ihe agbamonwe jenda na mpaghara ụlọakwụkwọ dị. Usoro nhọrọ ebumnobi ka e ji họpụta steeti atọ e jiri mee nchọcha. Onye nchọcha gbasoro usoro nhananha wee họpụta ụlọakwụkwọ dị*

*246, ndị nkuzi dị 246 na ụmụ akwụkwọ dị 695 zara njụmaza. Ndị e jiri mee nchọcha gụnyere ndị isi nkuzi Igbo na ụmụ akwụkwọ. Ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha gụnyere njụmaza isiokwu ya bụ Ajụjụ Gbasara Nzụrụ Ụwa na Nkụzi na Ọmụmụ Omenaala Igbo (AGNNỌOI). Ihe e nwetara maka adịmụmma ngwa bụ 0.86. N'ịhazi ihe a chọpụtara, a gbasoro usoro ntụcha Miin na ndịpụ n'izugbe wee zaa ajụjụ nchọcha ma were nnwale-t (t-test) wee nweta ọsịsa ụmaokwu nchọcha e hibere n'akara ntụ 0.05. Ihe a chọpụtara na nchọcha a gosiri na nzuruụwa nwere mmetụta n'agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị, nke na ha ji asụsụ Bekee anya isi, jiri ekwenị anọrịzị oge karịa ịkọ akụkọ ifo na ihe ndị ọzọ. Site n'ihe a chọpụtara n'elu, onye nchọcha tụrụ alo mkpa ọ dị ịhaziri ụmụ akwụkwọ ọgbakọ ọmụmụ ebe a ga-esi wee mee ka ha mata ntọala ebimndụ ha kwesiri isi n'ọmụmụ omenaala Igbo wee nweta.*

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Nzuruụwa, Agwa Ụmụ Akwụkwọ, Mmetụta Nzuruụwa, Ọmụmụ, Omenaala Igbo.

## Mkpọlite

Nzuruụwa bụ mkpụrụokwu nwere mmetụta na ngalaba ihe ọmụmụ dị iche iche, ma nke a mere na ngalaba nke ọ bụla na-akọwa ya n'ụzọ dị iche iche bụ nke gbadoro ụkwụ n'etu ha si hụ ma ọ bụ ghọta ya. Ndị ngalaba sayensi kọwara nzuruụwa dịka oge ngwa nkanụzụ jupụtara ebe niile ma mee ka mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị mfe (Adesina, 2016). Ndị na-ahụ maka ọkwa akụnụba na-ahụta nzuruụwa ka oge e ji mee mba ụwa niile dịka otu ahịa, nke mere azụmahịa ka ọ dị mfe. N'echiche Jesse (2016), nzuruụwa pụtara mgbagote na mmekọrịta ozuru ụwa ọnụ n'ebe mmadụ, ọkwa akụnụba na omenaala dị. Ka o sila dị, ndị Igbo hụtara

nzuruụwa ka mgbe ha na mba ụwa ji nwebe mmekọrịta, bido n'oge azụmahịa n'ala Igbo ruo n'oge ọchịchị mbịara chịwa wee bata n'oge ngwa nkanụzụ jupụtara ebe niile

Ọ bụ ihe dị mkpa ịmata na mbunobi e ji guzobe nzuruụwa bụ maka nkwalite mmekọrịta na ọganiihu n'etiti mba ụwa dịka o si gbasata ụzọ ebịmndụ mmadụ niile tinyere amamihe, na nka ha, site n'igosi ihe ndị a n'igwe nkanụzụ dị iche iche. N'echiche Feder (2014), ihe e ji guzobe atụmatụ a bụ nzuruụwa bụ iji kwalite ọnọdụ azụmahịa na omenaala n'ụwa dum. Iloba (2015) kọwara na mbunobi e ji guzobe usoro atụmatụ a bụ iji nyere mba ụwa, obodo, mpaghara, mmadụ gbakọtara ọnụ ma ọ bụ otu onye aka igosi, ichekwaba, ihazi na ịkwụdosi ike n'ihe ọ bụla ha ji kwụrụ ma ọ bụ ihe e ji mara ha. Essien (2015) kọwara na ihe kpatara e ji guzobe atụmatụ nzuruụwa bụ iji gosipụta mba ụwa niile, ọnọdụ mpaghara ma ọ bụ obodo ọ bụla nọ n'ọkwa akunụba, ndọrọndọrọ ọchịchị, agụmakwụkwọ, mmepe nke nkanụzụ, omenaala na ihe ndị ọzọ na-eme n'obodo, bụ nke na-eweta nsọrịta mpi. Peters (2017) kọwara na ihe e ji guzobe nzuruụwa bụ ka mmadụ ndị ọnụọgụ ha na-abawanye kwa ụbọchi na mba ụwa niile, nwee ụzọ dị mfe ha si emekọrịta ma na-atụlerịkọta echiche otu o si masị ha. Peters gara n'ihu kọwaa na nke a na–adị ire site na ngwa nkanụzụ dị iche iche dịka onyonyo TV, igwe kọmpụta na ọwa nzikọrịta ozi dịka ekwe ntị, ịtanetị, fesbuk, wasapu, istagramu, na ndị ọzọ. Nzuruụwa bụ ụzọ e si ewezuga mgbochi ndị bi na mpaghara ụwa dị iche iche na-enwe n'ebe inweta ọgụgụ isi, amamihe, echiche ma ọ bụ mgbanwe ọgbara ọhụrụ dịka ihe gbasara ngwa nkanụzụ na enyemaka ndị ọzọ dị iche iche dị (Udeani, 2017). Nke a mere na mmepe obodo abụghịzị ihe na-adị naanị n'etiti otu mpaghara ma ọ bụ ndị na-asụ otu ụdị asụsụ. Eric (2017) gara n'ihu kọwaa na nguzobe na mmekọrịta nke nzuruụwa enwetaghị nkwado naanị site n'iwu gọọmenti kama

na ndị ọrụ nnọrọ onwe, ndị ọrụ agbata obodo na obodo ndị ọcha na otu jikọtara mmepe nke obodo bụcha ihe kwadobere ya n'ihi uru ọ bara.

N'ịkọwapụta atụmatụ a nke ọma, Iloba (2015) gara n'ihu kọwaa na nzuruụwa a baara ụwa niile uru n'ihi na o nweghị obodo ọ bụla zuru oke n'ihe niile dịka n'usoro ọchịchị, akụnụba, omenaala, agụmakwkụkwọ na ụzọ ebimndụ ndị ọzọ. Iloba (2015) kọwakwara na site na ngwakọrịta ọnụ na-esite na nzuruụwa, na ọ na-eweta mmetụta dị mma, mana oge ụfọdụ, o nwekwara ike iweta mmetụta dị njọ. N'ịkwado na nzuruụwa nwekwara mmetụta dị njọ, ka Amadị (2016) ji rụọ aka na nzuruụwa dịka agha batara n'etiti omenaala, tụmadị omenaala mgbe ochie. Nke a bụ maka na ọtụtụ mmadụ chere na uto nke obodo ọ bụla ndị ọcha chịrị gbadoro ụkwụ n'obodo ahụ ịhapụ akụkọ ala na omenaala ha wee were omenaala ndị ọcha. Amadị gara n'ihu kọwaa na mmetụta ọjọ a kachasị wee pụta ihe n'ala Afrịka tụmadị n'ala Igbo, nke na ọtụtụ obodo hapụrụ ekpemekpe ọdịnaala tinyere omenaala ndị ọzọ. N'echiche ya, ọnọdụ ọjọọ a mere na ndị Afrịka tụmadị ndị Igbo hapụrụ omenaala na-eme omenelu tinyere na ha akwụdosighịzi ike n'ebe nkwenye na ekpemekpe ọdịnaala dị. Amadi gara n'ihu kọwaa na n'ala Afrịka taa tụmadị n'ala Igbo, na o weghị anya ma ọtụtụ omenaala dị mkpa maka ịnata ntọala na ezumoke nke mmadụ a ka dị ire. Amadi gara n'ihu rụtụ aka na emume ngafe bụ nke nwata si na ya anata ọgbụgbandụ n'etiti ya na ala (ili alọ), emume e ji anabata nwata n'ezinaụlọ nakwa agbụrụ ha (emume ịgụ nwa aha), tinyere nke e ji ezipụta ntozu oke mmadụ (emume ịwa akwa na iru mgbede) bụ nke na-eweghị anya ma ọ dịzị ire n'ala Igbo taa. Ọzọ bụ na ọchịchị onye kwuo uche ya ewezighị anya ma ọ ka dị ire, ịsụ asụsụ Igbo dịzị ka ihe a na-ahụta ka ihe ime obodo, ihe ihere na ihe na-eweda mmadụ ala. Ọnọdụ ọjọọ a, pụtawara ihe n'ebe ụfọdụ ndị odee agụmagụ Igbo dị, nke na

ha ji asụsụ Bekee edepụta agụmagụ gbasara ala Igbo na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Ka o sila dị, ihe nchọcha a lebara anya kpọmkwem bụ ịchọpụta mmetụta nzuruụwa nwere n'ebe agwa ụmụ akwụkwọ dị n' ọmụmụ omenaala Igbo dị.

Omenaala ka ndị ọkammụta ụfọdụ kọwara n'ụzọ dị iche iche. Ihe dị mkpa ịmata bụ na nkọwa omenaala niile gbadoro ụkwụ n'ụzọ jikọtara ebimndụ mmadụ ọnụ maka ịhazi ọnọdụ ha. N'ịga n'ihu na nkọwa omenaala, Abel (2015) kọwara omenaala dịka njikọta agwa mmadụ nwetara site na gburugburu ya. Omenaala ndị Igbo bụ ihe dịbara site n'agba ochie, ma bụrụkwa ihe na-egosi ka ndị Igbo si ebi ndụ ha. Omenaala ndị Igbo pụtakwara nkwenye, mmeremme na ọdịnaala niile e ji mara ha. Nkwenye, mmeremme na ọdịnaala niile a, gụnyere asụsụ ha, agụmagụ ọnụ, ọrụ nka, ekike, nri, egwu, alụmalụ, enwemenwe, ekpemekpe, abamaba, usoro ọchịchị, echichi, ekele, akwamozu, amamihe ọdịnaala, ụzọ akụnụba (azụmụahịa), ọrụ nwoke na nwaanyị, igụafọ, ịzu ahịa, ịgụ aha, ọnọdụ ọjị n'ala Igbo, tinyere ụzọ nzịrịta ozi. Ege (2020) kọwara na omenaala ndị Igbo bụ ihe ịtụnanya na ndụ ha, nke na site n'isi mbido ndụ ha na ha ji ya kpọrọ ihe. Iji hụ na e nyefere omenaala a niile n'aka ụmụaka na eto eto tinyere na ọmụmụ ya dị ire mere e ji guzobe agụmakwụkwọ ọdịnaala n'oge gboo (Nwadike,2002).

Ọtụtụ ndị mmụta dị iche iche akọwago ọmụmụ, bụ nke nkọwa ha gbadoro ụkwụ na ngalaba mmụta nke ọ bụla. Henry (2015) kọwara ọmụmụ dịka mgbanwe na-adịgide n'agwa onye mmụta. N'echiche nke Gross (2017), ọmụmụ bụ usoro mmadụ ji amụta ihe ọ na-amabeghị mbụ, ma ọ bụ usoro nhazi amamiihe, agwa na nka onye ahụ nweburu. Gross gara n'ihu kọwaa na ọ bụ mmadụ na anụmanụ bụ ihe nwere ikike ọmụmụ. N'ịkwado echiche a, ka Okonta (2018) ji kọwaa na e nwere ọmụmụ na-abịa ozigbo, nwee ọmụmụ ọ bụ ihe na-

akpata, n'ihi ya, nka na amamiihe ka a na-enweta site na mkparịtaụka mmemmekwu. Wood gara n'ihu kọwaa na mgbe ọmụmụ wetara mgbanwe n'agwa na amamiihe ahụ na-adịgide, ma ọ bụrụ na ọmụmụ ewetaghị mgbanwe n'agwa, na amamiihe ahụ na-efu ọsọ ọsọ. Okoro (2017) kọwara ọmụmụ dịka ihe mmụta mmadụ na-enweta site n'aka onye ọzọ. Okoro gara n'ihu kọwaa na ọmụmụ a nwere ike ịbụ n'ụlọakwụkwọ, n'ụlọ nakwa site na gburugburu, mana nke ụlọakwụkwọ ka a haziri nke ọma nwere ihe mbunuche.

Iji hụ na mmụta dị ire n'ụlọakwụkwọ, onye nkụzi nwere ọrụ dị iche iche ọ ga-arụ. N' ịkwado echiche a, ka Eze (2019) ji rụtụ aka n'ọmụmụ na-adị ire naanị mgbe onye nkụzi ji usoro, nka na asụsụ kwesiri ezipụta nkụzi ya. Eze gara n'ihu kọwaa na ọ bụ ihe ndị a dị n'elu, na-eme ka ọmụmụ dị ire, ma ọ bụ ghara ịdị, bụrụ ihe nñomi, ihe a haziri nke ọma ma ọ bụ nke a na-ahazighị. Ọmụmụ na-adị ire mgbe onye mmụta nwetara mbunuche ihe ọmụmụ ahụ site n'aka onye nkụzi. Na nkwado nkọwa a, ka Okeke (2020) ji kọwaa na ọ dị mkpa, onye mmụta inwe ike ikewapụta ihe ndị ọ ghọtara nke ọma na ndị nke ọ na-aghọtaghị. Okeke kọwara na ọ bụ site n'usoro a, ka onye mmụta ji akwụdosi ike n'ebe ihe ọmụmụ ọ na-eme dị. Ọmụmụ na-adịkwa ire, mgbe e nwere ezi mmekọrịta n'etiti onye nkụzi na ụmụ akwụkwọ. Udoka (2020) kọwara n'ụdị mmekọrịta a na- adị n'ụdị ajụjụ, ọsịsa, mmepụta na nnwale. Frank gara n'ihu kọwaa na ụzọ a, bụ ụzọ kachasị dị ire, onye mmụta ji esonye n'ihe ọmụmụ. N'aka nke ọzọ, mmụta anaghị adị ire mgbe onye nkụzi na-akụzi ma o nweghị onye mmụta na-aghọta ma ọ bụ esonye n'ihe ọ na-eme.

A na-enwe ọmụmụ nñomi mgbe onye mmụta na-elere agwa ndị ọzọ anya. Boah (2017) kpọrọ ụdị ọmụmụ a, ọmụmụ mmekọrịta bụ nke dabara na nkwenye Bandura (1977). N'ụdị ọmụmụ a, Boah kọwara na ihe agbamume abaghị uru, kama

na ihe onye ọmụmụ chọrọ n'aka nne, nna, nwanne, enyi ma ọ bụ onye nkụzi na gburugburu ya bụ naanị agwa dị mma ọ ga-eñomi. Ọmụmụ ahazighị ahazi bụ ọmụmụ a na-enweta site n'amamiihe a na-agabiga kwa ụbọchị. Ụdị ọmụmụ a na-abịa ebe ọ bụla, o nwere ike ịbụ n'ụlọ, n'okporo ụzọ, ma ọ bụ ebe ndị ọzọ gasị (Boah, 2017). Ụdị ọmụmụ ọzọ bụ ọmụmụ a haziri ahazi, bụ nke gbasatara nchọcha a. Ụdị ọmụmụ a bụ nke na-adị n'etiti onye nkụzi na nwata akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ. Ụdị ọmụmụ a nwere usoro ọ na-agbaso, ma bụrụkwa ọmụmụ a haziri ahazi. Gaghiano (2017) kọwara na ụdị ọmụmụ a, na e nwe mbunuche, nke onye nkụzi na-ewepụta gbasara isiokwu nkụzi ọ bụla, bụ nke a tụrụ anya na ụmụ akwụkwọ ga-amata na ngwụcha nkụzi ọ bụla.

Dịka o si gbasata nchọcha a, mbunuche ọmụmụ omenaala bidoro n'ime ka ụmụ akwụkwọ mata ịsụ asụsụ Igbo, ruo n' ịmata nka na ọrụ aka dị iche iche ndị Igbo, nkwenye ndị Igbo, echichi, ekpemekpe, ewumewe, na ọdịnaala Igbo niile. Ọ bụ naanị mgbe onye nkụzi nyefere omenaala ndị a niile n'aka ụmụ akwụkwọ, ha kwụdosie ike n'ime ya, n'agbanyeghị ụdị mmekọrịta ha nwere n'omenaala obodo ọzọ dị iche iche, ka a ga-asị na ọmụmụ omenaala Igbo dị ire. Ọmụmụ ịmịta mkpụrụ na-agbadokwa ụkwụ n'agwa ụmụ akwụkwọ nwere gbasara ihe ọmụmụ. Ọmụmụ bụ nke na-adị ire naanị mgbe e nwere mgbanwe n'agwa. Tyden (2016) kọwara na ọ bụ onye nkụzi na-anọ n'etiti/agbata ndị ọmụmụ na ihe ọmụmụ. Dịka o si gbasata ọmụmụ omenaala Igbo na Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa, a tụrụ anya na ụmụ akwụkwọ ga-abụ ndị dị ezi njikere ịmụta ihe gbasara omenaala Igbo, bụ nke a na-akụziri ha. Eric (2017) kọwara na ọmụmụ dịka o si gbasata omenaala Igbo na-adị ire naanị mgbe ụmụaka nwetara ezi ntọala ha kwesiri inweta. N'echiche Jennifer (2017), ọmụmụ nwere usoro gbasara agbasa bụ nke ihe mgbamonwe ụfọdụ na-enwe

mmetụta na ya. N'ihi nke a, ụmụ akwụkwọ ịgosi na mmụta omenaala Igbo adịla ire ga-esite n'ụdị ịsụ asụsụ Igbo, ụdị mmasị n'agwa ha n'ebe omenaala Igbo dị tinyere mmeta nke ọma ha n'ule omenaala Igbo.

- Agwa bụ otu mmadụ si ezipụta ihe ọ na-eme. Agwa dị oke mkpa n'ebe nkụzi na ọmụmụ dị. Igwe (2016) kọwara n'agwa bụ mmadụ, n'ihi nke a, agwa mmadụ bụ ihe na-anọchi anya mmadụ. Na nkwado nkọwa a dị n'elu ka Ugonna (2017) ji hụta agwa dịka enyo mmadụ na–apụta ihe na nzọmụkwụ na okwu ọnụ. Nke na-egosi na ọ bụ ihe dị oke mkpa n'agwa onye nkụzi ga na-ezipụta ihe onye nkụzi ahụ bụ nakwa ihe ọ na-eme. Davison (2017) kọwara na onye nkụzi bụ isi sekpụ ntị nye ọnọdụ mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ ya. Eze (2019) kọwara na tupu ọmụmụ ga-adị ire na onye nkụzi ga-abụrịrị onye si n'agwa na okwu ọnụ egosipụta ihe ọ na-akuzi. Eze gara n'ihu rụtụ aka na-agbakọnyeghị na ọkwa akụnụba na ọnụọgụgụ ndị nọ na klasị na-enwe mmetụta n'ebe ụmụ akwụkwọ nọ, nakwa n'ihi na ndị nkụzi bụ mmadụ sitere n'agbụrụ dị iche iche ma na-akụzikwa n'ụlọakwụkwọ dị iche iche, na a na-enwe ngwakọrịta n'agwa ha. Eze kọwara na ụdị nńomi a site n'aka ibe ha ma ọ bụ n'ụlọakwụkwọ na-enwekwa mmetụta n'etu ha si akụziri ụmụ akwụkwọ ihe. Wood (2017) n'echiche nke ya gbadoro ụkwụ n'ebe atọ wee kọwapụta agwa ndị nkụzi bụ nke gụnyere:

- Agwa njirimara ndịna: Nke a gbasara "ihe" onye nkụzi mara, etu o si ezipụta ya na ihe ọ na-ezipụta
- Ụzọ nzipụta mgbamonwe: Nke a gbasara "etu" onye nkụzi si ezipụta ihe ndị ahụ ọ mara na ụzọ dị iche iche o si eme ha.

- Agwa/Njirimara ebe: Nke a gbasara “onye”, “ebe”, “mgbe” na “mkpatara” ka o si metụta ihe a na-akụzi na omenaala dị na gburugburu.

- N’ ịga n’ihu na nkọwa agwa ndị nkụzi ka Udeani (2017) ji hụta na e nwere ụzọ ihe ise na-eweta mgbanwe n’agwa onye nkụzi bụ nke gụnyere ihe gbasara agụmakwụkwọ, ihe gbasara ekere uche, ihe gbasara nrabanye, ihe gbasara nzuruụwa, ihe gbasara enwemike na agbamume. Ihe gbasara agụmakwụkwọ metụtara ihe a na-akụzi, etu e si ahazi ya nakwa usoro e ji akụzi ya. N’ebe a, a tụrụ anya na ndị nkụzi Igbo ga-abụ ndị mara ihe gbasara omenaala Igbo na usoro kwesịrị iji kụzi ya n’ụlọakwụkwọ. Nke a mere Davison (2017) ji kọwaa na ndị nkụzi nwere ezi ọgụgụ isi ka amata ihe ha na-akụzi. Ihe gbasara mmepe metụtara ndị nkụzi ịmata ihe ọgbara ọhụrụ na-apụtagasị n’ihe ha na-akụzi. Ihe gbasara enwemike na agbamume na-emetụta mkpa ọ dị inye ndị nkụzi ihe agbamume ka ha wee nweike ịgosi mmasị ma tinyekwa uchu n’ihe ha na-akụzi. Ihe gbasara nrabanye metụtara ndị nkụzi ịdị njikere maka ihe ọ bụla nwere ike ịdapụta n’oge nkụzi na ọmụmụ. Ihe gbasara nzuruụwa metụtara ndị nkụzi ịmata ihe ndị na-emegasị n’obodo ọzọ dị iche iche, ma si na ya hazie/dozie ihe ha na-akụzi ma kwụdosie ike nke ọma. Ihe nke a pụtara bụ na tupu nkụzi omenaala ga-adị ire ma kwụdosieike na onye nkụzi ga–abụ onye nwere ezi ntụkwasiobi n'agwa dị nnomi n’ebe omenaala Igbo dị. Nke a ka ọ ga-egosi site n’ịsụ asụsụ Igbo oge ọ bụla, ma were ya n’akụzi ihe ọmụmụ Igbo tụmadị omenaala. Ọ ga–abụ onye na-egosipụta ihe gbasara omenaala Igbo na ndụ ya, site n’ekike, erimeri, ekele, ịdị nka na ihe ndị ọzọ Igbo ji biri. Ọ ga na-ezipụta ntọala dịka ihe bara uru nye ebimndụ onye Igbo ọ bụla. Ọ ga–abụ onye na–enwe obi ọma n’ịga ebe a na-eme mmemme omenaala Igbo.

- N’aka nke nwata akwụkwọ, ọ bụ ihe ziri ezi na nwata ga- ezipụta ntọala ọ natara site n’agwa ya. Nwata ọ bụla nwere ezi agwa bụ onye ji umeala na obiọma eme ihe ọmụmụ omenaala Igbo. Ịsụ asụsụ Igbo ga na-amasị ya oge ọ bụla. Agwa dị otu a na-enye aka n’ịkwalite na nchekwaba omenaala na–agbanyeghị njekọrịta/mmekọrịta nwata ahụ na ndị obodo ọzọ. Ka o sila dị, onye nchọcha ugbu a lebara anya ịmata etu nzuruụwa si enwe mmetụta n’agwa ụmụ akwụkwọ n’ọmụmụ omenaala Igbo dị.

Agwa bụ mma mmadụ, n’ihi nke a, Udeagha (2016) kọwara n'agwa mmadụ bụ ihe na-anọchi anya mmadụ. Nke a na-egosi na ọ bụ ihe dị oke mkpa n'agwa nwa akwụkwọ ga na-ezipụta ihe onye ahụ bụ nakwa ihe ọ na-eme. Dịka o si gbasata nchọcha a, agwa nwata akwụkwọ ga-abụ nke na-egosi onye dị njikere ịnara ntọala na ụzọ ebimndụ ndị Igbo dịka ihe bara nnukwu uru na ndụ ya. Ihe nke a pụtara bụ na tupu ọmụmụ omenaala ga-adị ire, nwata akwụkwọ ga-abụ onye na-asụ asụsụ Igbo kwa mgbe kwa mgbe, onye nwere ugwu na nsọpụrụ n’ebe omenaala Igbo dị, onye ji umeala tinyere mkpalite mmụọ eso ọmụmụ omenaala Igbo, nakwa onye na-egosipụta mmasị ya n’ebe ihe e ji mara ndị Igbo dị. Ka o sila dị, nchọcha lebara anya ịmata mmetụta nzuruụwa nwere n’ebe agwa ụmụ akwụkwọ dị n’ọmụmụ omenaala Igbo.

## Nsogbu Nchọcha

Nzuruụwa bụ usoro e guzobere nwegoro ọnọdụ n’ebe ụzọ ebimndụ mmadụ dị iche iche dị, tụmadị ka o si gbasata ọnọdụ agụmakwụkwọ na omenaala. N’ihi nke a, a hụtara nzuruụwa ka ụzọ dị mfe e si emekọrịta mana egosi ihe onye, otu ma ọ bụ obodo ji kwụrụ tụmadị ka o si gbasata omenaala

maka ndị ọzọ isite na ya wee hazie ebe ha riri mperi, ma kwudosike na ya maka nchekwaba omenaala. Nke a mere na a tụrụ anya na ndị Igbo ga-esite na ya wee kwalite amamiihe, nka na omenaala ha niile tụmadị ebe a na-eme nkuzi na ọmụmụ omenaala n'ụlọakwụkwọ, maka inweta ezi ntọala ndụ ndị Igbo kwesiri, ịchekwaba omenaala Igbo nakwa imeta nke ọma n'ule omenaala n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị.

Ka o sila dị, nkụzi na ọmụmụ omenaala Igbo bụ ihe na-edoghị anya ma ọ dị ire, n'ihi na ihe a na-ahụ n'ala Igbo ugbu a, a gbadoghịzị ụkwụ n'omenaala Igbo e guzobere n'oge gboo. Nke a pụtara ihe n'emetaghị nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ule omenaala Igbo. Ndị ụlọọrụ WAEC (2017 – 2019) kọwara na ihe e ji guzobe nkụzi omenaala Igbo bụ ịhụ na ụmụ akwụkwọ nwetara ezi ntọala na ya ma ihe a na-ahụta bụ ihe jọrọ njọ. Onye isi WAEC kọwara na ọsịsa ụmụ akwụkwọ na-enye n'ule omenaala Igbo edoghịzi anya ma omenaala Igbo anọ n'ọnọdụ nchekwaba, ka ọ bụ mkpochapụ. Onye isi WAEC gara n'ihu kọwaa na ọsịsa ụfọdụ ụmụ akwụkwọ na-enye n'ajụjụ a jụrụ ha, dịka ndị na-amaghị ihe gbasara omenaala Igbo, ebe ụfọdụ ji omenaala ndị mba ọzọ dị iche iche na-aza ajụjụ a jụrụ.

Ihe ọzọ bụ na onye nchọcha chọpụtara na ndị na-eto eto anaghị akpa agwa ka ndị nwetara ntọala n'omenaala Igbo, ma nke a pụtara ihe n'iji asụsụ bekee hiri isi, ịgba ọtọ n'ụdị ekike ọgbara ọhụrụ, tụmadị ụmụ agbọghọ, amaghị esi nri, enweghị ugwu na nsọpụrụ n'agwa ndị ọzọ dị njọ. Site n'agwa ndị a dị njọ a na- ahụta ndị na- eto eto na-akpa tinyere emetaghị nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ule omenaala Igbo, e nwere ike ịkọwa na o dochaghị anya ma ọ bụ mmetụta sitere n' ịhụta omenaala ndị mba ọzọ na-ebute nke a. Odoghị anya etu mmekọrịta a sitere na nzuruụwa si emetụta agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sịnịọ

sekọndịrị. N'ihi nke a, ka onye nchọcha ji lebaa anya na mmetụta nzuruụwa nwere n'agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị na Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjịrịa.

## Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta mmetụta nzuruụwa n'ebe nkụzi na ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị dị na Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjịrịa. Nchọcha a lebazịrị anya n'ihe a:

ịchọpụta mmetụta nzuruụwa nwere n' agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị**.**

## Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha a duziri nchọcha a:

Kedu mmetụta nzuruụwa nwere n' agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị?

## Ụmaokwu Nchọcha

Ụmaokwu nchọcha a ka onye nchọcha hibere maka nchọcha a bụ nke a nwalere n'akara ntụ 0.05.

**$Ho_1$**. Enweghị ndịmiche pụtara ihe n'akara miin echiche ndị nkụzi nwoke na ndị nwaanyị na n' agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị.

## Ụdị Nchọcha:

Ụdị nchọcha ọmụmụ a bụ usoro sovee nkọwa. Usoro sovee nkọwa dịka Nworgu (2016) si kọwaa bụ usoro e guzobere maka nnweta ihe nchọcha site n'inwe ezi nnyocha, nkọwa na mkpebi gbasara ihe omume ma ọ bụ etu ihe dị, mgbe a na-eme ya bụ nchọcha. Onye nchọcha ñomiri ụdị nchọcha a ebe ọ bụ na nchọcha a nwere mmasị n'inwe ezi nnyocha na mkpebi gbasara mmetụta nzuruụwa nwere n'ebe agwa ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị.

## Nchọpụta

## Ajụjụ Nchọcha 1

Kedu mmetụta nzuruụwa nwere n'agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị?

| | Ihe edepụtara maka nchọcha | Ndị Nkuzi | | | ụmụ akwụkwọ | | | | | Mkpokọ Miin | Mkpokọ St.d | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | Mmetụta nzuruụwa nwere n'agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo | | | .d | | | | . d | | | | |

| | | | | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | nzuruụwa mere na ụmụ akwụkwọ na-aga ebe a na-eme omenaala Igbo. | 246 | 1.70 | .90 | | 695 | 1.40 | .85 | | 1.82 | .89 |
| | nzuruụwa mere na ụmụ akwụkwọ na-esite n'igwe kọmputa achọpụta ihe gbasara omenaala Igbo. | 246 | 1.91 | 1.13 | | 695 | 1.62 | .80 | | 1.81 | 1.09 |
| | nzuruụwa mere na ụmụ akwụkwọ na-eji akụkọ ifo anọrị oge karịa igwu egwu. | 246 | 1.11 | .94 | | 695 | 1.50 | .87 | | 1.32 | .94 |
| | nzuruụwa mere na ụmụ akwụkwọ anaghị etinye uchu n'ịmụta ọrụ nka. | 246 | 3.30 | .46 | | 695 | 2.73 | .74 | | 2.98 | .55 |
| | ụmụ akwụkwọ na-asụ asụsụ Igbo oge ọ bụla n'ihi nzuruụwa. | 246 | 2.10 | .94 | | 695 | 2.28 | 1.05 | | 2.17 | .99 |

| | | | | | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | nzuruụwa mere ka ụmụ akwụkwọ na-akwanyere ndị nkụzi ugwu na nsọpụrụ mgbe ha na -akụzi omenaala Igbo. | 246 | 1.30 | .45 | [illegible] | 695 | 1.54 | .88 | [illegible] | 1.35 | .67 | [illegible] |
| | nzuruụwa mere ka ụmụ akwụkwọ na-amụta ilu Igbo ọsọ ọsọ. | 246 | 1.10 | .30 | [illegible] | 695 | 1.38 | .87 | [illegible] | 1.27 | .72 | [illegible] |
| | nzuruụwa mere ka ụmụ akwụkwọ na-amụta na -ezipụtakwa ekike ndị Igbo. | 246 | 1.20 | .40 | [illegible] | 695 | 1.44 | .88 | [illegible] | 1.36 | .74 | [illegible] |
| | nzuruụwa mere ka ụmụ akwụkwọ na-ewepụ echiche n'agwa ruru unyi. | 246 | 1.60 | .80 | [illegible] | 695 | 1.82 | 1.03 | [illegible] | 1.69 | .94 | [illegible] |

**Tebul 1:** Miin echiche ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ na mmetụta nzuruụwa nwere n'agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị.

**Ndịkọ Miin: 1.70**

Tebul 1 gosipụtara echiche ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ na mmetụta nzuruụwa nwere n'agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị. Ihe e depụtara maka nchọcha 62, 63, 64, 66, 67, 68, 69 na 70 nwere miin gụnyere 1.82, 1.81, 1.32, 2.17, 1.35, 1.27, 1.36 na 1.69 na ndịpụ n'izugbe gụnyere .89, 1.09, .92, .99, .67, .72, .74 na .94. N'aka nke ọzọ, ihe e depụtara maka nchọcha 65 nwere miin gụnyere 2.98 ya na ndịpụ n'izugbe gụnyere .55 bụ nke gosipụtara nkwenye ebe ihe e nwetara karịrị kraiteriọn miin 2.50 n'ụdị n'ihe ndị ahụ na-ezipụtakwa enweghị ezigbo agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị. Ndịkọ miin e nwetara bụ 1.70 bụ nke gosiri n'ihe ndị ahụ niile e depụtara na-ezipụta na nzuruụwa mere na ụmụ akwụkwọ enweghị ezigbo agwa n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị.

## Ụmaokwu Nchọcha 1

E nweghị ndịmiche n'akara miin echiche ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ na mmetụta nzuruụwa nwere n'agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị.

**Tebul 2:** Mkpokọ nnwale-t e nwetara n'echiche ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ na mmetụta nzuruụwa nwere n'agwa ụmụ akwụkwọ n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị.

| Ndị zara njụmaza | **N** | **Ụ** | **Std.D** | **t-kal** | **Df** | **t-kri** | **Mkpebi** |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ndị nkuzi | 246 | 2.21 | .59 | -.055 | 357 | .958 | Ajụkwana (do not reject) |

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| ụmụ akwụkwọ | 695 | 2.30 | .61 | | | | |

Ihe e nwetara site na tebul gosiri na miin ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ bụ 2.21 na 2.30 ya na ndịpụ n'izugbe gụnyere .59 na .61 na akara ogo nnwere onwe bụ 357. Na nnwale n'ogo nnwere onwe 357 e nwetara t-kakụletedi bụ -.055 ebe t-kritikal bụ .958. Ụmaokwu nchọcha bụ nke a na-ajụghị (do not reject) ebe ọ bụ na t-kakụletedi pekarịrị t-kritikal -.057 P<0.005. Ihe nke a pụtara bụ na enweghị ndịmiche n'echiche ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ na mmetụta nzuruụwa nwere na mmasị ụmụ akwụkwọ n' ọmụmụ omenaala Igbo. E nwere ike inwe mkpebi na ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ kwenyere na ọ bụ nzuruụwa mere na ụmụ akwụkwọ enweghịzị ezigbo agwa n'ọmụmụ omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị.

## Mkparịtaụka

Ihe a chọpụtara gosiri na nzuruụwa mere na ụmụ akwụkwọ anaghị ezipụta ezi agwa n'ọmụmụ omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sịniọ sekọndịrị. Nchọpụta gosiri na nzuruụwa mere na ụmụ akwụkwọ anaghị ezipụta ezi agwa n'ebe ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sịniọ sekọndịrị dịka na ụmụ akwụkwọ anaghị aga ebe a na-eme omenaala Igbo, na ụmụ akwụkwọ anaghị esite n'igwe kọmputa achọpụta ihe gbasara omenaala Igbo, na ụmụ akwụkwọ anaghị eji akụkọ ifo anọrị oge karịa igwu egwu, na ụmụ akwụkwọ anaghị etinye uchu n'ịmụta ọrụ nka, na ụmụ akwụkwọ anaghị asụ asụsụ Igbo oge ọ bụla n'ihi nzuruụwa, na ụmụ akwụkwọ anaghị akwanyere ndị nkụzi ugwu na nsọpụrụ mgbe ha na-akụzi omenaala Igbo, na ụmụ akwụkwọ anaghị amụta ilu Igbo ọsọ ọsọ, na ụmụ akwụkwọ anaghị amụta na ezipụtakwaghị ekike ndị Igbo tinyere na ụmụ akwụkwọ anaghị ewepụ echiche n'agwa ruru

VOLUME 16 NO 2, JULY, 2023 ISSN: 2476-8448

unyi. Nchọpụta e nwetara dabara na nchọpụta nke Udo (2017), bụ onye kọwaa n'agwa ụmụ akwụkwọ ji eso ihe ọmụmụ ọ bụla ha na- eme na-ewepụta etu ha si emetanke ọma na ya. Site n'ihe a chọpụtara, o were anya n'agwa ụmụ akwụkwọ na-egosi na ha kpọrọ ihe gbasara omenaala Igbo asị, bido n'asụsụ Igbo, ruo n'ekike ndị Igbo na omenaala ndị ọzọ. Nke a bụ maka na nchọpụta gosiri na ọ bụ asụsụ Bekee ka ha jizi nyiri isi, tinyere ekike ndị ọcha n'agwa ruru inyi ha na-ahụta site na ngwa nkanụzụ. N'echiche nke onye nchọcha, ọ bụ ihe dị mkpa na ụmụ akwụkwọ ga-esite na nzuruụwa mụtawanye agwa dị mma ga-enyere ya aka n'ịkwalite ihe ọmụmụ ha na-eme. Site na nchọcha a, e nwere/ike ikwu na ọ bụ ụmụ akwụkwọ esighị na nzuruụwa mmụta agwa dị mma mere na ha enweghị ezigbo agwa ga-eme ka ha mee nke ọma n'ule omenaala Igbo.

## Mmechi

Agwa bụ mma mmadụ. N'ihi nke a, ọ dị mkpa ime ka ụmụ akwụkwọ mata na agwa mmadụ bụ ihe na-anọchi anya mmadụ. Nke a na-egosi na ọ bụ ihe dị oke mkpa na agwa nwa akwụkwọ ga na-ezipụta ihe onye ahụ bụ nakwa ihe ọ na-eme. Dịka o si gbasata nchọcha a, agwa nwata akwụkwọ ga-abụ nke na-egosi onye dị njikere ịnara ntọala na ụzọ ebimndụ ndị Igbo dịka ihe bara nnukwu uru na ndụ ya. Ihe nke a pụtara bụ na tupu ọmụmụ omenaala ga-adị ire, nwata akwụkwọ ga-abụ onye na-asụ asụsụ Igbo kwa mgbe kwa mgbe, onye nwere ugwu na nsọpụrụ n'ebe omenaala Igbo dị, onye ji umeala tinyere mkpalite mmụọ eso ọmụmụ omenaala Igbo, nakwa onye na-egosipụta mmasị ya n'ebe ihe e ji mara ndị Igbo dị.

## Ịtụ alo

N'ihi ihe ndị a chọpụtara n'elu, onye nchọcha tụtara alo ndị a:

Ndị nkuzi ga-agba mbọ ịhụ na agwa ha na-akpaso nkuzi omenaala Igbo dị mma nke ga- enyere ụmụ akwụkwọ aka ịńomi ya.

Ndị nne na nna ga-agba mbọ ịhụ na agwa ha gbasara omenaala Igbo dịkwazị mma ńnomi, n'ụdị na ha ji omenaala Igbo kpọrọ ihe mana ezipụta ya n'ụzọ dị iche iche dịka n'ịsụ asụsụ Igbo na ihe ndị ọzọ.

Ndị isi ụlọakwụkwọ ga-agba mbọ ịhụ na ndị nkuzi anaghị enye ụmụ akwụkwọ na-asụ asụsụ Igbo ntaramahụhụ n'ụlọakwụkwọ.

Ndị gọọmentị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjịrịa ga-agba mbọ ịhụ na e wepụtara pekata mpe otu ụbọchị n'izu uka, ebe onye ọ bụla nọ na steeti ahụ ga-eke ekike ndị Igbo, maa sụkwa naanị asụsụ Igbo ụbọchị ahụ niile.

Ndị isi ụlọakwụkwọ ga-agba mbọ ịhụ na ha wepụtara izuuka n'ime otu tamụ ebe ha ga- eji mee mmemme omenaala Igbo dịka ejije, ịgba egwu ọdịnaala na ihe ndị ọzọ.

## Edensibịa

Abel, O. N. (2015). Effective teaching of cultural and creative arts (CCA) integrated approach. *Ọka Journal of Research in Music and the Arts (AJRMA)*. Vol. 10, 74-86.

Adesina, C. C. (2008). *Races of globalization and development.* Lagos: Yaro press.

Amadi, M. (2016), *Understanding Igbo culture*. upper Saddle River, NJ: Pearson/Prentice Hall.

Boah, H. K. (2017) "Dialogue among civilisations and the process of Globalisation", in Moazami, Bahman and Rassouli, Na vid (eds.). *Collection of Papers of the International Conference on Dialogue Among Civilizations from the Viewpoint of Young People.* Tehran: Alhuda International Publishers and Distributors.

Davison, C. (2017). Learning and teaching: A theory of action perspective. *Journal of Management Education,* 21(1), 9–27 .

Ege, P. I. (2020). Globalization and education today. Retrieved August 8, 2021 from http/www.edu.matters.com.

Eric, C. N. (2017). *Ethnicity and globalization.* Oxford: Universtiy Press.

Essien, B. N. (2015). "Globalization, The Nigerian economy and peace", in Akani, C. *Globalization and the Peoples of Afrịka.* Enugu: Fourth Dimension Publishing Ltd. Jaja.

Eze, S.M. (2019), *Globalization, liberalization, and Afrịka's marginalization.* Harare: Afrịkan Association of Political Science.

Feder, C. T. (2014). *Third world countries and global culture.* NY: Extension press.

Gaghiano, T. A. (2017). Teaching world languages for social justice: *A source book of principles and practices.* Mahwah, NJ: Lawrence Erlbaum.

Gross, C. L. (2017). The politics of language: *Conflict, identity, and cultural pluralism in comparative perspective.* New York: Oxford University Press.

Henry, F. V. (2015). The key to global understanding: World culture education. Why schools need to adapt.

*Review of Educational Research.* 79(2), 650-682.

Igwe, P. C. (2016). *Global culture and Nigeria culture.* Retrieved January 7, 2018,from http://www.globalization/cutlure/Nig/.acom.ng. Iloba, J. K. (2015). Limits of globalization: *Cases and argume nts.* London: Routledge.

Jennifer, L. T. (2017). Decolonizing methodologies: *research and indigenous peoples*. London: Zed Publisher.

Jesse, J. C. (2016). *Effect of globalization on food security in Nigeria.* Retrieved January 15,2018,from http://www. globalization/food/security.com

Nwadike, I.U. (2002). Igbo language in education: *An historical study.* Obosi: Pacific Publishers.

Nwadike I. U. (2005). Ọmụmụ asụsụ Igbo Kemgbe I990". Edemede A Gụrụ N'ọgbakọ Out Asụsụ Igbo (ISA) Na Mahadum Naịjiria 21st -24th September, 2005.

Nworgu, B. G. (2006). *Educational research basic issues and methodology.* Enugu: University Trust Publishers.

Okeke P. T. (2020). *Culture in contemporary Afrịka.* Oxford: Oxford University press.

Okonta, N. K. (2018). *Igbo skills and national development in Nigeria.* Enugu: New Generation Books.

Okoro, H. (2017). Fostering reflective practice: *Taking a Look at Conteụt.* London: Macmillan Press.

Peters, J.A. (2017) "what is globalization? *The Definitional issue-again*. London: Macmillan Press.

Tyden, M. L. (2016). Globalization and social eụclusion: *A transformationalist perspective.* Oxford:Universtiy Press.

Udeagha, V. (2016). Portfolios as a tool for attitude Change. Rural Special Education Quarterly, *International Journal of Educational Policies,* 19(3), 72-81.

Udeani, O.O. (2017) 'Globalization and the Afrịkan question in the 21st century'. *Afrịkan Journal of Economy and*

*Society*. 2(2).

Udo, P. (2017). *Language and symbolic power*. Cambridge, MA: Harvard University Press.

Udoka, A. C. (2020). Critical reasoning for social justice: Moral encounters with the paradoxes of intercultural education. *Journal of Intercultural Education*, 20(2), 135-149.

Udonna, B.O. (2017). *Education for social reconstruction.* London: Macmillan Education Limited.

Wood, R. (2017). The linguistic imperialism of neoliberal empire. *Critical Inquiry in Language Studies,* 5(1), 1–43.